JW.ORG™
Gaa na www.jw.org/ig danloduo ya

Mgbe Josef Nọ n'Ijipt

JENESIS ISI 39-40

N'ime ihe ndị a dị ebe a, họrọnụ ndị nke ga-akacha abara nwa unu uru, na ndị nke ga-akacha amasị ya. Unu niile mee ihe ndị e kwuru na ha.

GỤỌNỤ JENESIS ISI 39-40

Unu gụchaa ya, unu agụọ katuun e sere ese e ji akụzi Baịbụl (unu nwere ike ịgụ ya n'Ịntanet, ma ọ bụkwanụ unu ebipụta ya ebipụta gụọ), unu na ụmụ unu zaakwa ajụjụ ndị dị ná ngwụcha ya.

IHE UNU GA-EME: Gwanụ ụmụ unu ka ha mee ka ndị nta akụkọ ma gụpụta ihe ndị merenụ ka akụkọ ụwa. Gwanụ ha ka ha kọọ gbasara ihe a merenụ. Ha meekwa ka hà na-agba ndị so n'akụkọ a nakwa ndị hụrụ mgbe ihe ndị ahụ mere ajụjụ ọnụ.

N'asụsụ ụfọdụ, unu nwere ike igere ihe nkiri isiokwu ya bụ "Preserving Life in Time of Famine." Ihe ụfọdụ dị na ya bụ ihe ndị anyị ka ga-ebipụta na Katuun E Sere Ese E Ji Akụzi Baịbụl. Unu nwere ike ịdanlodu nke Bekee ya na www.jw.org. Unu ga-ahụ ya ma unu pịa ebe e dere PUBLICATIONS, pịzie ebe e dere DRAMAS.

IHE NDỊ ỌZỌ UNU GA-EBIPỤTA



FOTO E JI AKỤZI IHE

OLEE IHE DỊ ICHE? Gụọnụ Jenesis 40:16, 17. Unu gụchaa ya, unu agwa ụmụ unu ndị nke obere ka ha chọpụta ihe atọ dị iche na foto abụọ ahụ. Ha dee ihe atọ ahụ n'ebe ndị a kara ihe ka e denye ha. Gwakwanụ ha tee foto nke e setara kreyọn.

IHE E JI AMỤ IHE

OLEE EBE NDỊ HA YIRI? Gwanụ ụmụ unu ndị nke topụtatụrụlanụ ka ha gụọ ihe ndị e dere banyere onye nke ọ bụla ná ndị yiri Josef ma denye ebe onye nke ọ bụla na Josef yiri n'ebe a kara ihe.

WERE YA MỤỌ BAỊBỤL

KAADỊ AKỤKỌ BAỊBỤL: Gụọnụ ihe e dere gbasara onye a kọrọ akụkọ ya na Baịbụl. Jụọnụ ụmụ unu ajụjụ ndị dị na kaadị ahụ. Jirinụ kaadị ahụ na ndị ọzọ unu nwere nyere ụmụ unu aka ịhọpụta ndị a kọrọ akụkọ ha n'akwụkwọ Jenesis. (Ihe Ga-enyere Unu Aka:Ihe ikpeazụ a kọrọ na Jenesis mere n'afọ 1657 Tupu Oge Ndị Kraịst.)

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania